kwuru. Omenụkọ wee were ọnụ nara okwu ahụ dum. O wee sị Igwe "Ọ bụ mgbe m wetara ihe ndị a ka anyị ga-anọdụ ala chee echiche ka a ga-esi mee ya." Igwe wee sị ya, "Ee, dị ka ị kwuru dị mma." Omenụkọ wee sịkwa Igwe na nke ya ga-abụ mgbe ikpeazụ. Igwe wee sị Omenụkọ "Atụla uche maka nke m, ka anyị chọta ihe anyị na-achọ". Ha abụọ wee kwekọtaa n'otu ihe ahụ sị ka ọ dịwa, mgbe a rụsịrị ọrụ, e rie nni ọrụ.

## ISI NKE IRI

## MMEKỌTA OMENỤKỌ NA NDỊ ALA ANYỊ

Omenụkọ wee zụọ ihe dum onye isi ala na onye eze mmụọ sịrị ya zụọ. Mgbe ọ na-azụ ihe ndị a a sịrị ya zụọ, ọ zụghi abụba ugo n'ihi na o nwere ugo abụọ ọ hapụrụ n'ụlọ ya nke ọ na-azụ azụ. Mgbe ọ zụtasịrị ihe ndị a, o wee zie ka a kpọọrọ ya Igwe. Mgbe ozi a ruru Igwe ntị, o wee bịa. Omenụkọ wee sị Igwe na ya azụtala ihe dum a sịrị ya zụta. Igwe wee sị Omenụkọ "Aga m ala ga gwa onye isi ala na onye eze mmụọ, mgbe ahụ ha ga-agwa m otu a ga-eme ya." Omenụkọ wee sị Igwe na okwu ya dị ụtọ, ka e mee otu ahụ.

O ruo echi ya, Igwe wee laa. Mgbe o ruru



ụlọ, o jeruru ụlọ madụ abụọ ahụ, wee gwa ha na Omenụkọ azụtasịala ihe dum a gwara ya ka ọ zụta. Ọ jụọ ha otu a ga-esi mee ya. Ha wee sị ya ka ọ gwa Omenụkọ ka o wekọrọ ihe dum bịa n'onwe ya n'ihi na ọ bụghi ihe ozi nzizi. N'ihi na a ga-ewere akwa ọkụkọ ụfọdụ metụ ya n'ọnụ tụfuo, sịkwa ụfọdụ madụ ga-eritụ ya nke nta nke nta. Ihe a kpọrọ orikọ nke madụ na nke ndị mmụọ ka ihe ahụ dum bụ. A ga-egbu ihe ahụ dum, sie ha, madụ dum eritụ ha n'otu n'otu ma onye mbụ ma onye ikpeazụ, n'otu mgbe ahụ. Igwe wee sị ha na ọ bụ ezi okwu, na ya ga-ala jekwurukwa Omenụkọ gwa ya dị ka ha kwuru. Mgbe ahụ Omenụkọ ga-ejikere mara mgbe ọ ga-abịa. Ma Igwe zipụrụ otu nwanta ụlọ ya ka o jekwuru Omenụkọ gwa ya ihe ha kwuru. Mgbe onye ụlọ Igwe jeruru, kọọrọ Omenụkọ ihe ndị ahụ saghachiri Igwe, Omenụkọ ewepụta madụ abụọ ndị ụlọ ya tinyere onye ụlọ enyị ya Igwe, nye ha oke ehi ahụ, sị ha nye enyi ya Igwe ka o debe ruo abalị anọ mgbe ya ga-abịa. Ọ sịkwa ya zie ụzọ madụ abụọ ahụ na ya aghaghi ịbịa n'abalị anọ ahụ. Ndị ahụ wee bilie gaa dị ka ọ gwara ha. Omenụkọ wee kpọọ ụmụ nne ya sị ha, "Nyerenụ m aka ka anyị chepụta ụzọ m ga-esi wee jee ije m a." Ha nile wee kwekọtaa na Omenụkọ na Nwabụeze ga-eso jee.

O ruo n'izu ahụ a kara aka, Omenụkọ wee kwakọrọ ihe ya nile, jide otu ugo n'ime ugo abụọ ahụ ọ na-azụ azụ. Karịa ka ọ ga-efopụta abụba ugo dị ka a gwara ya, o were ugo n'onwe ya

na-eje. Mgbe o rutere obodo anyi, ọ baa n'ụlọ enyi ya Igwe. Ma mgbe o rutere bụ n'abalị. O wee zie ozi ka a gwa ụzọ madụ abụọ ahụ na ya abịala, na ọ bụ echi ka ọhụhụ anya ga-abụ. Mgbe ozi ruru ndị ahụ ntị, ha wee sị na ọ dị mma, sịkwa, "Onye nọ n'ụlọ ya eche madụ ukwu adịghi egbu ya." Omenụkọ wee jụọ enyi ya, sị, "Biko enyi m, a ga-eme ụka maị añaa? Ṇ'ihi na echefuru m izi gị ozi banyere ya n'ụbọchị m nyere ehi." Igwe wee sị ya, "Atụla egwu, dị ka anyị chọrọ, anyị ga-elute ma ọ bụrụ na anyị aghaghi inweta". Igwe wee sịkwa na nke ya na-aghaghi ịga ụka ya bụ maị ike erughi ala. O wee gaa laghachi. Omenụkọ na Igwe arahụghi ụra n'abalị ahụ, tutuu chi abọọ, ebe ha nọ na-akpa ihe nile dị ha mma. Nwabụeze na Elebeke na Arịsa, ọ fọdụrụ nke nta ma ha arahụghi ụra dị ka Igwe na Omenụkọ. O ruo n'echi ya, Igwe wee dupụ madụ, ndị ga-eje chọta maị. Mgbe ha laghachiri, Igwe na Omenụkọ wee dupụ otu madụ ka ọ ga gwa onye isi ala na onye eze mmụọ na ha na-abịa ngwa ngwa. Ha wee jikere, gaa n'ụlọ onye isi ala. Ha wee zipụ madụ ka a ga gwa ndị a chọrọ n'okwu ahụ na Omenụkọ abịala. Mgbe ndị ahụ ọ chọrọ batasịrị, ha enyeghi Omenụkọ ọjị n'ihi na ha aka-agbaghi orikọ ahụ ha bịara ịgba. Ha wee sị Omenụkọ ya mee ihe ọ chọrọ ime. O wee kpụta ehi ahụ na akwa ọkụkọ asatọ na otu oke ọkụkọ ọcha na ji ukwu asatọ na ji nta asatọ, sị Igwe na ya ewere ihe ndị a nye ndị ala ya ka ya na ha wee gbaa orikọ, ka obi ha dịkwa ọcha



n'ebe ya nọ site n'ụbọchị ahụ wee gawa. Omenụkọ wee sịkwa ha, "Bikonụ onye ọ bụla hụrụ m ka o chetakwa na abụ m nke unu, na unu bụkwa nke m. Site na ta a wee gawa n'ihu, ọ dị ihe ọ bụla m mehiere na mgbe gara aga ka a gwa m ụzọ m ga-esi mekwaa ya; aghaghi m ime dị ka unu chọrọ; ọ dighi iwu dị n'obodo anyị nke m na-adịghi echeta, ọ bụladị n'ebe ahụ m bi ugbu a; ọ bụkwa iwu ala anyị ka m na-eso." Igwe wee kelee ya, wee were ihe ndị ahụ dum che n'ihu onye isi ala sị ya, "Lekwa ihe ndị a a sị ka Omenụkọ zụta ka e wee gbaa orikọ. Ọzọ kwa okwu ndị a anyị jiri ntị anyị nụ ha ugbu a." Onye isi ala wee were ihe ahụ dum che n'ihụ ndị zukọrọ, kwuokwa otu okwu ahụ Igwe kwuru. Ha wee kelee Igwe, keleekwa Omenụkọ.

Ha wee gụpụta ụmụ okorọbịa sị ha jide ehi ahụ gbuo. Ha wee jide ehi gbuo ya, werekwa ọkụkọ ọcha ahụ gbuo. Ha ebipụ isi ehi ahụ dokọtaa ya na ozu ọkụkọ ahụ, werekwa otu ite siwe isi ehi na ozu ọkụkọ ahụ. Nke ahụ bụ nke nna anyị ha. E mesịa ha ewere akwa ọkụkọ anọ tinye n'otu ite ahụ, werekwa ji ukwu asatọ basịa ha, jibisie ha mkpirikpi mkpirikpi tinyekwa n'otu ite ahụ. Mgbe isi ehi ahụ ghere, ha afọpụ ite, gụsịa ihe ahụ dum n'otu ugbọ. Ha wee kpụkpụsịa isi ehi ahụ wee bọkasịa ozu ọkụkọ ahụ, kewasịa akwa ọkụkọ anọ ahụ. Ihe ndị a bụ ihe a ga-eji ekele nna nna anyị ha ka obi wee dị ha ụtọ site n'iwere ụfọdụ n'ime ihe ahụ ma ọ bụ nri ahụ e siri, tụkwasị n'elụ ọfọ ukwu onye



O wee yọwa atańụ, udele na-abịa.

isi ala. Ma e mesịa, ụmụ ntakịrị abịa na-atụtụrị ihe ndị ahụ a tụkwasịrị n'ọfọ. Mgbe nke a gafesịrị ha ewepụta akwa ọkụkọ nke a na-esighi esi, dote ya n'ihụ ọha madụ. Onye isi ala wee pụta, were akwa ọkụkọ ahụ hie ya n'ọnụ ugbo anọ na-asi, "Ma m kwuru mma, ma m kwuru njọ megide Omenụkọ na ụmụ nne ya, ọ bụ njọ ahụ ka anyị na-ehichapụ ta a. Anyị na ha abụrụkwala nna na nwa. Nna nna anyị ha nụrụnụ, olu madụ bụ olu mmụọ, anyị na ha abụrụkwala otu. Ihe anyị na-asọ nsọ ka ha na-asọkwa nsọ ugbu a. Ihe anyị na-eri ka ha na-eri ugbu a. Ihe na-azọ anyị ndụ ga na-azọkwa ha ndụ ugbu a. Ihe na-egbu anyị ga na-egbukwa ha ugbu a." Mgbe onye isi ala kwụsịrị nke a, onye ọ bụla bilie, o were otu akwa hie n'ọnụ kwuokwa otu ihe ahụ onye isi ala kwuru tutuu ha dum ekwuzuo. Omenụkọ kwukwara otu ibe ya kwuru.

Mgbe nke a gasịrị e wee gwa otu madụ ka ọ chịkọrọ akwa ọkụkọ ahụ ga tụfusie n'ajọ ọhịa. Onye ahụ wee mee otu a. Mgbe ahụ ha amalite ịta anụ ọkụkọ na isi ehi na akwa ọkụkọ nke e siri esi. Ha ebirisịa ha dum n'ụgbọ anụ, gwọọ ose na manụ, madụ nile were ritụsịa anụ ahụ na ji ahụ. Ha wee bọkasịa ehi ahụ nye onye ọ bụla nke ruwere ya. Ha ebupụta maị dum ha dọbara wee ṅụwa. Mgbe ha na-aṅụ ya, Omenụkọ wee sị ha, "Biko ụmụ nna m agaghi m anọdụ tutuu a ṅụsịa maị nile n'ihi na aghaghi m ije ụlọ onye eze mmụọ ta a". Ha wee nye ya ike ka o jee. Omenụkọ na Igwe ejikerekwa n'otu mgbe ahụ

gaa ụlọ onye eze mmụọ. Mgbe ha ruru ụlọ ya, ha wee kwasịta ihe nile a sịrị ya zụkọta, nke bụ ihe ndị a: otu nne atụrụ, otu nnekwu ọkụkọ, otu oke ọkpa, akwa ọkụkọ asatọ, akwa ọbọcha, abọ ji, abọ ede, otu ogbe ọjị, otu ogbe ose ọjị, ogu nzụ anọ, maị ike erughi ala, ite maị ngwọ, ite maị nkwụ, na ugo. Omenụkọ wee sị Igwe ka o were ihe ndị a nye Iyiụkwa, na ọ dighi ihe ọjọọ ọzọ ya chọrọ karịa ka e mee ka obi dị ụmụ madụ na ụmụ mmụọ mma n'ebe ya nọ, ka obi dịkwa ha ọcha n'ebe ya nọ. Ugbu a na ihe ya bịara bụ ịgba orikọ nke madụ na nke mmụọ. Igwe wee sị, "Onye eze mmụọ, lekwa ihe Omenụkọ wetara dị ka a gwara ya weta. Ị hụrụ ugbu a na a gwara ya weta abụba ugo, ma o wetala ugo ndụ; ọzọ a sịrị ya weta akwa ọbọcha ma ọ zụtala ụlọ akwa ọbọcha. Ihe ndị a ziri ka ọchịchọ ya siri dị ya n'obi. Nke a bụ ihe ndị ahụ dum ị gụsịrị". Onye eze mmụọ wee bilie nawa Omenụkọ na Igwe aka, sị ha, "Ma onye mbụ ma onye abụọ unu dị ike." Onye eze mmụọ wee baa n'ime ụlọ ya were atañụ nta ya ọ na-eji akpọkọta udele, pụọ n'ezi sị "Aga m amata ugbu a ma obi dịkwa ụmụ mmụọ ọcha." O wee yọwa atañụ, ọ na-ada, "Tịñọm! Tịñọm! tịñọm! tịñọm! tịñọm! tịñọm! tịñọm! tịñọm! tịñọm!" Na nwa mgbe nta udele esikwa n'ihụ na-abịa, si n'azụ na-abịa. Iyiụkwa wee gbaghachi azụ, were otu ọkụkọ gbuo ya ngwa ngwa; o birisịa ya irighiri irighiri na-atụpụrụ udele ahụ dum, ha na-eburu na-elo. Mgbe ahụ Iyiụkwa wee gbaghachi n'ụlọ



sị Omenụkọ, "Naa m aka, ihe dum ga-adị mma."

Ọ bụ ezi okwu na ọ yọrọ atañụ udele wee bịa, ma ị ga-amata na ọ bụla anụ ọhịa nke dị nzuzu karịsịa ibe ya ka ị nwere n'ụlọ, gụọ ya aha ọ bụla ị chọrọ ọ gaghi adị anya o zawa aha ahụ. Otu a ka ọ dị n'ebe Iyiụkwa na atañụ na udele dị. Udele amatala na mgbe ọ bụla Iyiụkwa yọrọ atañụ ahụ na ọ bụ ha ka a na-akpọ. Mgbe ihe ndị a gasịrị, Iyiụkwa wee were otu oke ọkụkọ ahụ gbuo, gbuokwa nne atụrụ ahụ, werekwa ozu ọkụkọ ahụ, siwe ha n'otu ite, werekwa ji ole na ole basịa ha, were ha siwe anụ atụrụ na anụ ọkụkọ ahụ, werekwa akwa ọkụkọ anọ ahụ, tinye n'otu ite ahụ. Mgbe ha nọ na-esị ha, Iyiụkwa ewerekwa akwa ọkụkọ anọ ọzọ fọdụrụ, werekwa ogbe ọjị ahụ yiwaa ya, ghụpụta otu mkpụrụ ọjị, gbọwaakwa ogbe ose ọjị anọ, werekwa ọgu nzụ abụọ, wepụtakwa maị ike erughi ala ahụ dị n'akarama, dokọtaa ha dum n'otu ebe, wee malite were akwa ọkụkọ hie n'ọnụ sị, "Ọnụ kwuru njọ site ta a anyị ekwughasịala, ọnụ madụ bụ ọnụ mmụọ." O werekwa ọjị meekwa otu aka ahụ. O werekwa nzụ meekwa otu aka ahụ, werekwa maị akarama ahụ, gbụchaa ọnụ ugbo asaa, sịkwa Omenụkọ, ya mee otu ahụ; o wee mee otu ahụ. Iyiụkwa wee chịkọrọ ihe ndị a ga ghafuo ha n'ọhịa, laghachi. O werekwa akwa ọbọcha, sawara otu ukwu ya, ma kwunye ya n'ihu mmụọ, werekwa ogu nzụ abụọ tinyekwa ha n'ihu mmụọ, fopụkwa abụba ugo anọ, tinyekwa ha n'ihu mmụọ. O wee ghụrụ otu mkpụrụ ọjị wee gọwa ọfọ na-asị

"Omenụkọ bịakwutere unu ka unu na ya rikọ, ọnụ madụ bụ ọnụ mmụọ. Ihe ndị a o wetara dị m obi ụtọ, m wee jụọ unu ma unu kwere dị ka mụ onwe m kwere, unu wee zi m na unu kwere, site n'izite udele ka ha bịa rie aja dum anyị chụọrọ unu, site na nke a, arịọ m unu ka ụnụ site ta a nwee obi ọma n'ebe Omenụkọ na ndị ya nọ." O wee waa ọjị, nye Omenụkọ, nyekwa Igwe na ndị ọzọ nọ yā. Iyinụkwa ewerekwa ose ọjị taa ọjị nke ya buọ n'ọfọ ya. Mgbe nke a gafesịrị, ha wee fọpụ ite ahụ ha siwere n'ọkụ. Ha wee birisịa anụ atụrụ na anụ ọkụkọ ahụ ha siri esi. Ha ewerekwa ole na ole tụpụ n'ihu mmụọ, wee tawa nke fọdụrụ na-añụ kwa maị ngwọ na maị nkwụ ahụ, nke ahụ pụtara na a gbaala orikọ nke madụ na nke mmụọ. Mgbe ike iñụ maị gwụrụ ha, Omenụkọ wee rịọ onye eze mmụọ sị na ya ga-ala. Ha dum wee kelerịtaa onwe ha ekele. Omenụkọ na Igwe wee bilie laa n'ụlọ Igwe.

O ruo n'echi ya Omenụkọ wee sị Igwe, "Aga m ala ugbu a, gị ga-eche mgbe ị ga-enweta oghere ka ị bịa n'ụlọ m, ka anyị nọdụ ala kpaanụ ka ije anyị siri gaa". Igwe wee sị ya na ọ dị mma. Omenụkọ wee jikere laa. Ma mgbe o ruru ụlọ, ọ kpọkọtaa ụmụ nne ya, kọọrọ ha otu ya na Igwe siri jee. Ha dum wee ñụrịa ọñụ nke ukwu. O ruo ka ụbọchị ole na ole gafere, Omenụkọ wee kpọkọtaa ndị nile ọ na-achị wee sị ha, "Achọrọ m ka m mee ka unu mara ta a na mụ na ndị obodo anyị abụrụla otu site ta a wee gawa n'ihu. Ka anyị malite ịrọ nrọ ka anyị na-ejeghari n'obodo anyị n'ehihie na n'abalị. Onye chọrọ ije ala anyị ga-ejekwa. Onye chọrọ ịlụ nwanyị n'ala anyị nwere ike ime otu ahụ. Onye ndị obodo anyị bịara ịlụ nwa ya, ya kwere, ma ọ bụrụ ezi madụ sitere n'ezi ụlọ, n'ihi na mụ na ndị madụ na ndị mmụọ agbaala orikọ. Ọzọ, achọrọ m igbata ndị ahụ dum m rere, ma agbataghi m ha dum, n'ihi na otu nwata, aha ya bụ Oti, anwụọla. Otu onye n'ime ndị ibu m, ahukwaghi m ya, amataghi m ebe ha refere ya; site n'ihi ya a ga-ata m ụta ihe m mere na mgbe gara aga. Ma, a gaghi ata m ụta ugbu a, n'ihi na asịrị m ndị nwe onye ahụ a hụghi anya na ọ dị ụzọ ọ bụla e siri chọta ya na aghaghi m ịchọta ebe o bi, gbatakwa ya. Site na mgbe ahụ m jiri hapụ obodo m, ọ bụ ezie na ebe m bi na ndụ m adịghi atọ m ụtọ dị ka o kwesịrị, ma ugbu a obi dị m ụtọ karịa, ma a sị na ọnwụ abịakwute m ugbu a, ọ gaghi atụ m egwu n'ihi na agaghi m ekwutọ ọnụ tutuu ekubie m ume ndụ. Ọ gwụsịa ihe m sịị ka m kọọrọ unu."

## ISI NKE IRI NA OTU

## OWUWU ỤLỌ OMENỤKỌ NA ỤMỤ NNE YA.

Omenụkọ nwere ihe nke ukwu. Ọ bụ onye ukwu n'ihe nile. Omenụkọ bụ onye madụ ga-ahụ sị

na ọ bụ ọgaranya n'ezie, n'ihi na ọ bara ụba ego, nke ahụ abụrụ otu. Ọ bara ụba ndinyom, nke ahụ abụrụ abụọ. Ọ bakwara ụba ụmụ ndinyom na ụmụ ndikom. Ọ bụ ezie na ọ bụ ihe banyere Omenụkọ ka m na-akọ, ma Omenụkọ na ụmụ nne ya dị anọ, nke mere ha ise bụ nwanna ha bụ Obiọha. N'ime Omenụkọ na ụmụ nne ya, aga m akpọcha ha bụ madụ anọ ndị ọgaranya n'ihi na ha dum bara ụba dị ka Omenụkọ. Site n'ihi nke a ha ewee ha ka otu obodo, nweekwa otu eze dị ka ndị ọzọ nwere, ya bụ Omenụkọ. O wee malite iwu ụlọ ya na ụmụ nne ya. Ọ bụrụ na ị hụrụ dị ka Omenụkọ siri wuo ụlọ ha, obi ga-atọ gị ụtọ karịa. Aga m ejisi ike zi otu ha siri wuo ụlọ ha, dị ka m nwere ike izi.

Gee ntị. Ha wuru ụlọ ha otu a, ha jiri aja mbara gbaa ụlọ ha gburugburu. Ọ dị akụkụ anọ e gburu aja mbara ahụ, ndị nile Omenụkọ na-achị bi n'ime ya. Ọ dighi onye ọ bụla n'ime ha nke bipụrụ ebipụ, kama ha nile bi n'ime obodo ahụ gburugburu. Lee ihe nleta na ụdị miri nke akwụkwọ ndụ a, o bụ ka Omenụkọ na ụmụ nne ya siri gbua ja chere obodo, na aja chere ụlọ na ụlọ. Leekwa ụdị miri akwụkwọ edo edo nke ga-ezi dị ka ha siri wuo ụlọ ha. Ụdị miri akwụkwọ ojii ga-ezi ebe ha nwere ibo ọnụ ụzọ ama ha n'iche n'iche. Lezie anya nke ọma n'etiti ụdị miri akwụkwọ ndụ na ụdị miri akwụkwọ edo edo ahụ. Ị ga-ahụ na ọ dị ọcha, nke bụ okporo ụzọ njegharị dị iche iche dị n'ime mbara ezi Omenụkọ na ụmụ nne ya. Aga m ewere



mkpụrụ akwụkwọ guọ ha aha. Omenụkọ nwe ụlọ "A", Okọrafọ nwe ụlọ "B", Nwabụeze nwekwa ụlọ "GB", Ọgbọnnaya nwekwa ụlọ "D", Obiọha nwekwa ụlọ "E". Leekwa anya n'ụlọ Omenụkọ gburugburu. Ụlọ nke mbụ bụ ụlọ ndikom nie. Gburugburu ụlọ nke abụọ bụ ụlọ ndinyom. Ụlọ ukwu abụọ dị n'etiti, otu n'aka nri, otu n'aka ekpe, ha bụ ụlọ abụọ Omenụkọ. Otu bụ ebe ọ na-arahụ ụra n'abalị, otu bụkwa ebe ọ na-anọ ọnọdụ ehihie. Ọ bụrụ na Omenụkọ ebie otu ọnwa n'otu ụlọ, ọ kwalie ihe ya fegharịa n'ụlọ nke ọzọ. O biekwa otu ọnwa n'ụlọ nke a n'ehihie, o biekwa otu ọnwa n'ụlọ ọzọ n'abalị.

Omenụkọ nwere ndinyom nke onye ọ bụla na-enweghi ike iguta ọnụ ma ọ bụghi nanị ụmụ nne ya, ndị ụlọ ha, ndị na-anọ ha nso. Dị ka Omenụkọ siri nwee ndinyom, otu aka ahụ ka ha na-amụtara ya ụmụ ndikom na ụmụ ndinyom. Ụmụ nne ya, madụ atọ ahụ, nwekwara ndinyom ọtụtụ, nweekwa ụmụ ọtụtụ. Omenụkọ nwere ọtụtụ ndinyom, ma ọ na-elekọta ha dum anya dị ka onye na-alụ otu nwanyị. Ya na ndinyom ya dị n'otu.

Mgbe Omenụkọ wusịrị ụlọ, dị ka ya na ndị ala anyị gbaaralarị orikọ, o wee gaa ala anyị, lụtara Obiọha ụmụ agbọhọ atọ tojuru etoju. Ọtụtụ madụ ga-eche na ụlọ ndị a bụ ụlọ gbamgbam; ha abụghi, kama ha bụ ụlọ atanị nke bụ akịrịka ngwọ.

Mgbe o wusịrị ụlọ ndị a, gbusịa ha aja, o zie ndị eze ndị ọzọ nke ala Ndị Mgbọrọgwụ ka ha

bịa letara ya ụlọ ya. Ndị eze ahụ wee kwuo ụbọchị ha ga-eje leta ụlọ ahụ. Ha wee zie Omenụkọ ụbọchị ha ga-abịa; Omenụkọ wee jikere ihe ọ ga-eji lee ha ọbịa; ụbọchị wee zuo ndị eze ahụ wee bịa. Omenụkọ wee sọọrọ ha ọji, durukwa ha gaa gburugburu ụlọ ya na ụlọ ụmụ nne ya. Ihe ndị eze ahụ hụrụ n'ime gburugburu ụlọ Omenụkọ na ụmụ nne ya bụ ha ihe ịtụ n'anya karịa. Ha dị ọgụ ndị eze abụọ na ise. Ha dum wee nyewe ya ihe nleta ụlọ ahụ ha bịara ileta. Ụfọdụ wee nye ego otu pound, ụfọdụ enyekwa ya ego shilling iri na ise; ụfọdụ nyere ya shilling iri. N'ime ndị eze ahụ dum, ọ dighi onye nyere karịa otu pound, ọ dighikwa onye nyere nke nta karịa shilling ise. Madụ asaa nyere ya otu pound, otu pound, madụ iri na atọ nyere shilling iri na ise, shilling iri na ise; madụ toolu nyere shilling iri shilling iri; madụ iri na asaa nyekwara shilling ise, shilling ise. Mgbe Omenụkọ natasịrị ọtụtụ ego ndị a, o wee kelee ha ekele dị ukwu, n'ihi na ha mere karịa dị ka Omenụkọ chere. Omenụkọ wee bupụta nri dị iche iche nke o siiri ha, nye ha. O gburu otu ehi, gbuokwa ọtụtụ ewu. Anụ ewu ka o jiri teere ha ofe, ma anụ ehi ahụ ka ọ bọkasịrị sie ya nwa nke nta, e mesịa ọ fọọ anụ ehi ahụ dum n'abọ atọ. Mgbe ha risịrị nri na-anụ maị, Omenụkọ wee gwa ndị ya ka ha bupụta anụ ehi ahụ; ha wee mee otu ahụ. Omenụkọ wee chee ya n'ihu ndị eze ahụ, sị ha na ọ bụ ha nwe. Ndị eze ahụ wee kelee Omenụkọ nke ukwu. Ndị eze dum wee



kee anụ ehi ahụ. Otu onye ketara ka ibe ya ketakwara. Ha wee ṅụsịa maị, kelee Omenụkọ, laa.

Mgbe nke a gasịrị, Omenụkọ wee zie eze ndị ala anyị ka ha bịa letara ya ụlọ ọhụrụ nke o wuru. Ha wee gwa ya ụbọchị mgbe ha ga-abịa. O ruo ụbọchị ha kara àká, ndị eze amatala dị ka ha si eme ma ihe dị otu a pụta. Ha wee jide onye ọ bụla onyinye nke aka ya, nke ọ ga-enye Omenụkọ. Mgbe ha ruru ụlọ Omenụkọ, ha wee hụ dị ka o siri wuo ụlọ ya ahụ. Ọ dị ha mma n'anya nke ukwu. Ha wee too ya, sị ya na ọ bụ dimkpa. Mgbe Omenụkọ mekwasịrị ha, ya bụ mgbe o nyesịrị ha nri na maị ha erie, ṅụọkwa; ha wee nyewe ya ego. Ụfọdụ nyere ya otu pound; ụfọdụ nyere ya shilling iri na ise; ma ndị nyere ya otu pound karịrị ndị nyere ya shilling iri na ise; Omenụkọ wee kelee ha ekele nke ukwu, baa n'ụlọ, bupụta anụ ehi, fọọ ya n'abọ dị ka o meere ndị eze ndị bịara n'ụlọ ya n'oge gara ga. Ndị eze ala anyị wee kelee ya, ha dum wee na-etu ya aha, na-asị ya, "Omenụkọ akụ, Omenụkọ akụ." Mgbe ha kesịrị anụ ehi ahụ, ha wee nọziekwa n'oriri na n'ọṅụṅụ nke Omenụkọ chere n'ihu ha. Ha eriwe ruo mgbe ụra bịara ha n'anya, ha wee gaa rahụ ụra. Mgbe chi bọrọ, Omenụkọ wee siere ha nrị ụtụtụ, ha erisịa, kelee ya, laa.

## ISI NKE IRI NA ABỤỌ

## ỌBỤBA EZE UKWU OMENỤKỌ NA MMEGIDE NKE NDỊ EZE NDỊ ỌZỌ

Omenụkọ wee na-aga n'ihu n'ụba ya, na ịbụ eze ya. E mesịa Ndị Bekee ahụ na ọ bụ madụ nwere uche nke ukwu n'ọchịchị ya, ha wee mee ya onye ukwu karịa ndị eze ndị ọzọ. Ndị Bekee mere ya ka ọ na-ekpe ikpe ụfọdụ n'ụlọ ya, o wee na-eme otu a na-aga n'ihu. Mgbe Ndị Bekee hụrụ na ọ na-aga n'ihu, na ọ bụ ezi onye ikpe, ha enye ya ike karịa dị ka ha nyere ya na mbụ. Ha enye ya onye ode akwụkwọ, nyekwa ya ndị ozi ụlọ ikpe. Mgbe ihe ndị a na-aga n'ihu, ndị eze ọzọ dum dịkwa n'okpuru Omenụkọ.

Ndị eze nile wee sị, "Ee-e, nke a agaghi eme n'ala anyị a. Onye bịara abịa ịbụ onye isi anyị nile. Ọ bụrụ na ọ ga-abụ Government, ya gaa n'obodo nke ya, ọ gaghi anọ n'obodo anyị." (Chetanụ na Omenụkọ bi N'Ịkpa Oyi; ọ kaalaghachighi ala ebe a mụrụ ya.)

Ha wee kwosawa ya ekworo, gakwuru Ndị Bekee n'Awka, kwuoro ha na ọ gaghi emekwara ha onye eze ukwu, na ya onwe ya bụ Omenụkọ bụ onye ala ọzọ. Ma Ndị Bekee egeghi ha ntị n'okwu ahụ, n'ihi na Omenụkọ n'onwe ya abụghi onye a ga-asị na ọ bụkwaghi onye eze ukwu. Mgbe ndị eze ahụ hụrụ na ihe ha na-ekwu adịghi ndị Bekee ka ọ bụ ezi okwu, ha aga nọdụ ala chewekwa ụzọ ha ga-esi mee ya n'ike. Mgbe



ha nọ na-eche, ịba ụba Omenụkọ na-agakwarị n'ihu. Mgbe ndị nile gbara obodo gburugburu hụrụ na ọ dịghi ụzọ ọ bụla Omenụkọ siri zipụta na ya nwere ọhụ ndị eze na ise ndị na-ekwosa ya ekworo, ọtụtụ madụ wee chegharịa uche, na-achọ ka Omenụkọ bụrụ enyi ha. O bụghi n'ụzọ aghụghọ, kama n'obi ọcha ha. Omenụkọ wee kwe ka ya na ndị ahụ bụrụ enyi, obi wee tọọ ndị ahụ ụtọ nke ukwu, n'ihi na ọ bụrụ na Omenụkọ ajụ sị na ya achọghi ịbụ enyi ha, ọ ga-adịrị ndị ahụ njọ nke ukwu, mgbe ahụ ọ ga-eme ha elu eru aka, ala eru aka. Site na nke a ndị nile chọrọ ịdị mma nke Omenụkọ, lakwuuru ya na-enyere ya aka n'ihe nile. Ndị nile a lakwuuru Omenụkọ na-akụ ọrụ ga sụọrọ ya ala, mgbe oge ọkụkọ ya ruru, ha agakwa soro ya kọọ ji ya, mgbe oge ịbọ ya ahịhịa rukwara, ndinyom nke ụlọ ndị ahụ abịakwa bọọrọ ya ahịhịa. Oge ikpụkwa aja mbara ruo, ha akụọ ọrụ gaa soro kpuchie aja. Oge e ji agbanwe ụlọ atanị rụọ, ha aga soro gbanwee ụlọ atanị. Mgbe ihe ndị a na-aga n'ihu ruo ihe ha ka afọ asaa, ma ọ bụ asatọ, ndị eze ahụ ebiliekwa site n'ụzọ ọzọ palite ekworo.

Ha wee ga rịọ onye eze ahụ nwe ala Ịkpa Oyi ahụ, nke Omenụkọ sụchapụtara wuo ụlọ ya, sị ya gwa Omenụkọ ka ọ pụọ n'ala ahụ. Onye eze ahụ nwe ala ahụ wee sị "Ee-e, ọ bụ nanị ma unu ṅụọrọ m iyi sị na unu enweghi ike ọzọ ịhapụ ikwu sị Omenụkọ zọliere anyị n'ala a mgbe anyị palitere ikwu ya ekwu." Ha wee kwere, ṅụọrọ

ya ezi iyi sị onye o bụla ga-ekwukata okwu ụla Omenụkọ hapụ, arụsị ahụ gbuo ya. Ha wee duru onye eze ahụ gakwuru Ndị Bekee, sị ya gwa Ndị Bekee ihe ọ chọrọ ịgwa ha. Eze ahụ wee gwa D.C. na ala ebe ahụ Omenụkọ wuru ụlọ bụ ala nke ya, na ya agwala ya sị ya zọliere ya n'ala ya, ma o kweghi. Onye eze wee sị D.C. "Agwala m ya n'ike, gwakwa ya na nro ma Omenụkọ egeghi ntị, site n'ihi ya ọ bụrụ na ọ dịghi anụ okwu Igbo, biko ka ị gwa ya n'okwu Bekee, e leghi anya nke ahụ ka ọ ga-anụ, wee zọlitere m n'ala m." D.C. ajụo onye eze ahụ sị, "Afọ nke a mere ya afọ ole Omenụkọ jiri pụọ obi n'ebe ahụ?" Onye eze ahụ azaghachi D.C. sị, "Afọ nke a mere ya afọ asaa." D.C. ajụọ onye eze a sị, "Site na afọ asaa ahụ ruo taa, ugbo ole ka ị gwara ya zọliere gị n'ala gị?" Onye eze ahu were sị, "Ọ dịghi mgbe ọ bụla m gwara ya zọliere m n'ala ahụ, kama mụ onwe m agwala ya sị ya kwụọ m ụgwọ ala ahụ, ma o geghi ntị." D.C. were sị onye eze ahụ, "Echere m na i kwuru ugbu a sị na gị agwala ya n'ike, gwakwa ya na nro, sị ya pụọrọ gị, ma o geghi ntị, ma okwu ikpe azụ i kwuru ugbu a bụ na gị aka-agwaghi ya ka ọ zọliere gị n'ala gị nke mbụ, kama na ihe gị gwara ya bụ ka ọ kwụọ gị ugwọ banyere ala ahụ, ma o geghi ntị. Ụzọ okwu gị abuọ, olee nke bụ ezi okwu?" Onye eze ahụ wee sị, "Nke mbụ bụ ezi okwu." D.C. wee sị ya, "Ya bụ na nke abụọ bụ okwu ụgha?" O wee sị, "Ee." D.C. wee sị onye eze ahụ, "Echere m na ọ bụ unu na-ekpe



ndị okwu ụgha ikpe, sị ha gaa ụlọ mkpọrọ n'ịhi na ha kwuru okwu ụgha; ọ bughi otu a?" Onye eze wee sị, "Nna anyị, gbaghara m otu mmehie nke a; agaghi m ekwukwa okwu ụgha ọzọ." D.C. wee sị ya, "Ọ dị mma, agbaghara m gị nke a, ma ị ga-echeta na ọ dị ụzọ okwu abụọ i kwuru, e mesịa i kwughachi sị na nke ikpe azụ bụ okwu ụgha, ma ọ gaghi adị m ụtọ ma mgbe Omenụkọ ga-abịa n'ebe a, gị na ya ga-ekpe n'ihu m ịchọpụta na okwu gị dum bụ okwu ụgha. Ya bụ okwu i kwuru ugbu a bụ ezi okwu n'ihi na ọ bụrụ na e mesịa chọpụta na ha dum bụ okwu ụgha, mata nke ọma na ị ghaghi ije mkpọrọ."

Onye eze wee sị D.C., "Omenụkọ bụ onye ọka okwu nke ukwu, e leghi anya mgbe ọ ga-abịa n'ebe a, ọ ga-agọnarị m, ị ga-asịkwa na abụ m onye okwu ụgha, na mụ ekwuole okwu ụgha." Onye eze wee tụọ otu ilu sị "Kama m ga-eriju afọ dachie ụzọ aguọ gụwa m." Nke a pụtara karịa ka ya ga-esite na ya na-ekpe Omenụkọ ikpe wee baa ụlọ mkpọrọ ka a kwụsị ma nke mbụ ma nke abụọ. D.C. wee jụọ ya sị, "Okwu gị a pụtara gịnị?" Onye eze wee sị, "Echere m ka a kwụsị ụzọ okwu abụọ ahụ; n'ihi na achọghi m ịga ụlọ mkpọrọ. Omenụkọ ga-agọnarị m mgbe ọ bịara." D.C. wee sị ka ha laa, ga chee echiche banyere okwu ahụ, bịakwa kwuoro ya ezi okwu. Ha wee kwe, laa. D.C. wee na-ele anya ha ka ha bịakwa ọzọ kwuoro ya ihe ha chetara ma ha abịaghi tutuu ruo ọtụtụ ụbọchị. O ruo otu ụbọchị D.C. wee sie ozi ka a gwa Omenụkọ

na ya na-acho ịhụ ya, o ziekwa onye eze ahụ ka ọ bịa otu ụbọchị ahụ. Mgbe Omenụkọ na onye eze ahụ bịara n'ihu D.C., D.C. wee jụọ ha abụọ ma ọ dị okwu na-esere ha. Omenụkọ wee sị, "Ọ dighi okwu na-esere mụ na Chief Ike, karịa ekworo ndị eze n'ebe a na-ekwosa m." D.C. wee jụọ onye eze ahụ sị, "Gịnị ka i kwuru banyere ajụjụ m jụrụ unu?" Ọ wee za sị, "Ọ dighi okwu na-esere mụ na Chief Ọmenụkọ iche." D.C. wee jụọ onye eze ahụ sị, "Omenukọ ọ zọlierele gị n'ala gị ahụ ugbu a? Omenụkọ, ọ kwụọla gị ugwọ?" Onye eze ahụ wee sị D.C., "Nna anyị, hapụ, okwu ahụ agwụsịala." D.C. wee jụọ Omenụkọ, ma ọ dị mgbe ọ bụla ya na Ike kwuru ihe banyere ala ebe ahụ o wuru ụlọ. Omenụkọ wee sị, "Ọ dighi, nna anyị." D.C. wee sị ha, "Laanụ." Ha wee laa. Ma Omenụkọ nọ na-eche ihe banyere ajụjụ ndị a D.C. jụrụ ya na Ike. Site n'ihi na ọ bụ nanị ajụjụ, ọ dighi ụzọ ọ bụla e siri mee ya nkọwa, n'ihi nke a Omenụkọ wee jekwuru D.C. sị ya na ajụjụ ahụ nke ọ jụru ya na Ike ma ọ dighi ụzọ o siri mee ya nkọwa, na mgbe ya ruru ụlọ wee chee ihe banyere ajụjụ ahụ na ọ dighi ya obi mma n'ihi na ya amataghi isi ya. Omenụkọ wee sị ya na ọ bụ ihe a mere ya jiri bịa ka ya rịọ ya ka ọ kọwaara ya isi okwu ahụ. D.C. wee sị Omenụkọ, na ọ bụghi ihe dị mkpa ka ya kọwaara ya isi ya n'ihi na onye ya jụrụ ajụjụ amatala isi ihe kpatara ya jiri jụọ ya ajụjụ dị otu a. D.C. wee sị, "Ma ọ bụru na ọ dị gị mkpa ka ị mata isi ya, aga m akọrọ



gị, n'ihi na amatara m ụma gị. Ebe ọ bụ na ọ bụ okwu abụghi ezi okwu, atụkwasịrị m obi na ị gaghi eji ya mee okwu ma ọ bụ mee ihe. Ihe mere m jiri jụọ unu ajụjụ ahụ bụ na enyị mụ na gị, bụ Ike, na ndị eze ndị ọzọ bịakwutere m n'ebe a kwuoro m okwu ụgha sị na ebe ahụ i wuru ụlọ bụ ala Ike. Site n'ihi ya Ike wee sị m na ya na-agwa gị zọliere ya n'ala ya ma gị egeghi ya ntị. Ike asịkwa e leghi anya na gị adighi anụ okwu Igbo, ya mere ka m gwa gị n'okwu Bekee ka ị zọliere ya n'ala ya, n'ihi na ya agwala gị kwụọ ya ụgwọ banyere ala ahụ, gị ajụ. E mesịa, m wee chọpụta na okwu ya dum bụ okwu ụgha, m wee nye ya mgbe, sị ya gaa chee echiche bịaghachikwa gwa m nke bụ ezi okwu, ma ọ bịaghikwa ịgwa m ihe banyere ya ọzọ. Site n'ihi nke a mụ wee kpọọ unu, bụ madụ abụọ ka unu zukọtaa n'ihu m, m wee jụọ unu ajụjụ ahụ, gị onwe gị nụrụ ihe ọ sara, ọ sị m ka a hapụ okwu ahụ, ọ gwụla. Ya mere, di ka o kwuru sị ka a hapụ okwu na ọ gwụla, mụ onwe m kwekwara ka a hapụ ya".

Omenụkọ wee sị D.C., "Gị onwe gị nọ n'etiti mụ na ha dị ka ibo nọ n'etiti mkpụru na ihu ụlọ, gị onwe gị na-anata ikpe mụ na ha, na-amatakwa njehie mụ na ha. Site n'ihi ya ka m jiri sị gị na gị onwe gị nọ ka ibo ọnụ ụzọ mkpuru, nke na-ahụ ihe na-eme na mkpụru na-ahụkwa ihe na-eme n'ihu ụlọ. Ekwe m, ị sị m hapụ, ahapụla m." Omenụkọ wee kelee D.C., laa.

Mgbe Omenụkọ ruru ụlọ, o wee kpọkọtaa

ndị ya dum, kọọrọ ha ihe Ike na ndị eze ndị ọzọ gara gwa D.C. ma D.C. egeghi ha ntị. "Ya mere ọ dịghi okwu dị ya karịa ekworo ndị ala a na-ekwosa m." Nke a bu ihe Omenụkọ gwara ha. Ọ kwuokwa sị. "Ọ dịghi onye ọ bụla m jị ụgwọ n'ebe a ma n'obodo anyị. Ụgwọ m matara m ji ụmụ madụ bụ ụgwọ amara na ụgwọ ịhụnanya, n'ihi na Chineke emeele m ka m dị ukwuu hiekwa nne, ma ọ bụghi ohi ka m zuru wee dị ukwuu. Ọ bụrụ na madụ ga-asị na mụ koro ọfọ ogori site na mgbe m rere ụmụ ndị ọzọ n'obodo anyị, nke a bụ ezi okwu. Ma ọ dịghi onye ọ bụla n'etiti ndị eze n'ebe a nke m rere nwa ya. Anyị ga-ala ọbodo anyị ma ọ bụrụ na ọ dị ụzọ ọ bụla Ndị Bekee siri gwa m ka m laa obodo anyị, n'ihi na mgbe ọ bụla n'uche m, ọ dịghi ihe ha nwere ike ime m. Ma a chọọ m a hụghikwa m, ọ ga-adị njọ dị ka m chere." Ndị ụlọ Omenụkọ nile wee sị, "Obi ga-adị anyị ụtọ ịla n'obodo anyị, karịa esemokwu mgbe dum," Omenụkọ wee sị, "Ya bụ ka ọ dị anyị n'obi na anyị aghaghi ịla." Omenụkọ na-abakwa ụba ya na-aga n'ihu, ọchịchi ya na-amakwa Ndị Government mma nke ukwu, n'ihi na ọ na-achị nke ọma n'anya ha.

## ISI NKE IRI NA ATỌ

## EKWORO IKPE AZỤ

Ohu mba na isii wee jikọtaa onwe ha imegide



Omenụkọ. Ha wee kwuo n'ime nzukọ ha sị na ha ga-eje lụsọ Omenụkọ na ndị ya ọgụ, ihe ọ pụtara ya pụtara ha, ma ọ bụ ndụ ma ọ bụ ọnwụ, na ha ekwerele. Ụfọdụ n'ime ha wee chee sị, "Ebe Omenụkọ bụ Nyịrịma nnyị, e leghi anya ọ ga-anyịkwa anyị n'ịlụsị ya ọgụ." Ndị a wee depụ wee ga gbaara Omenụkọ ama ihe ha kwuru, ka ha wee gbara ihụ n'ahụ Omenụkọ; ntụkwasị obi ndị ahụ gbara ama bụ na Omenụkọ aghaghi ibu ụzọ ga kọọrọ Ndị Government, mgbe ahụ Ndị Government aghaghi igbochị ọgụ ahụ. Ma ndị ahụ amataghi na Omenụkọ na ndị ya nwere obi ike, jikerekwa ịlụsị ha ọgụ bụ ohu mba na isii ahụ. Omenụkọ wee kpọkọtaa ndị ya, sị ha, "Anyị aghaghi ịlụsị ndị a ọgụ ma ha bịa n'ezie. Ma otu ihe dị nke anyị ga-amata tutuu a lụọ ọgụ ahụ, ọ bụ na ndị Bekee agaghi enwe obi ụtọ n'ahụ m ma m lụọ ọgụ, ma aghaghi m ịlụ ya n'ihi na ha buru ọgụ bịa n'ụlọ m. Ọgụ dị otu a abụghi ọgụ a akara aka, nke ọ ga-abụ m soro lụọ, a tawa m ụta, sị na o kwesịghi ka m soro lụọ ya, ma nke a bụ ndị iro m na-achọ ịwakpo mụ na ndị m ka ha gbusie anyị. Ya mere, anyị ga-azọ onwe anyị. Amatala m na ọ bụrụ na a lụrụ ya, na anyị aghaghi ịla obodo anyị". Omenụkọ na ndị ya wee jikeresie ike na-eche nche.

O wee ruo ụbọchị ohu mba na isii ahụ kara ịlụ ọgụ ahụ, ha wee bịa malite site n'igbusi mkpụrụ akụkụ nke dị n'ubi Omenụkọ, ma koko ma ụkam, ma unere. Mgbe ahụ Omenụkọ wee

sị ndị ya, "Ka ọ bụrụ ugbu a". Ndị Omenụkọ wee gaa gbaa ha egbe, gbatuo otu nwoke merụọkwa ụfọdụ madụ ahụ, onye ahụ a gbara egbe wee daa, nwụọ. Mgbe ohu mba na isii ahụ hụrụ na otu onye ha anwụọla, ha ejisie ike igbukwa otu onye n'ime Ndị Omenụkọ. Otu madụ anwụọ na ndị a, otu madụ anwụọkwa na ndị nke Omenụko. Ugwọ na ugwọ wee laa. Ndị eze ahụ eburu onye ha, gaa Awka; Omenụkọ eburukwa onye ya gaa Awka. Mgbe ụzọ mba abụọ buuru ndị ahụ e gburu egbu ruo Akwa, D.C. wee pụta hụ ozu madụ abụọ ahụ, jụọ ha ihe mere ha. Omenụkọ wee sị D.C, "Bekee biko jụọ ohu mba na isii ihe m mere, ha ji wee nọkọtaa nzukọ sị na ha aghaghi igbu mụ na ndị m. Site n'ihe ha kwuru na nzukọ ha, ha wee waa n'ụlọ m ta a, mgbe ndị m pụtara igbochi ha, ha wee tigbuo otu madụ n'ime ndị m, na-achọkwa ụzọ iburu ozu laa. E leghi anya ka ha wee hụ ụzọ aghụghọ ha ga-esi sị na ọ dịghi onye ha gburu. Ma ọtụtụ ihe ga-abụ ihe ga-agba aka ebe megide ha. Ha bịara malite igbusi koko na ụkam na unere m kụrụ n'ubi m. Mgbe ha na-eme ihe ndị a ọ dịghi onye ọ bụla sitere n'ụlọ m gbochiri ha emekwala ihe ahụ, ruo mgbe ọtụtụ ha chere ihu n'ụlọ m. Ndị m wee pụta igbochi ha, ha wee tigbuo nwoke a. Ya mere m sị ndị m ka ha gbagbuo otu madụ n'ime ha. Ndị m wee mee otu a, ha wee gbalaga. Ma ndị m jidere madụ atọ n'ime ha ndị gbahiere ụzọ. Mgbe ndị eze a nụrụ ụda egbe nke ndị m. hụkwa na otu onye n'ime ha adaala n'ala nwụọ



ha gbara ọsọ, n'ihi na ha ejighi egbe ha bịa. Ndị bu onye m ahụ ha tigburu na-ala wee hụ na ibe ha ji ọsọ alaghachi azụ, ha wee tụpụ ozu madụ ahụ n'ala wee gbalaga, m wee gwa ndị m ka ha ga butekwa ozu onye ụlọ anyị ahụ. Ha wee mee otu a. Mgbe ndị eze a na-agba ọsọ ndụ ha, ha hapụrụ ozu onye nke ha laa. Madụ atọ n'ime ha, ndị ahụ ndị m jidere ka m gwara ka ha burukwa ozu onye ha laa. Ha wee buru ozu ya laa. Ihe ọzọ m ga-ekwu karịa nke a bụ, jụọkwa ndị ozi ụlọ ikpe na onye ode akwụkwọ ụlọ ikpe aha obodo m, ha ga-akọrọ gị ihe ha hụrụ. D.C. wee jụọ ohu mba na isii sị, "Unu anụla ihe Omenụkọ kwuru ugbu a?" Ha wee sị, "Ee, anyị anụla" D.C. wee jụọ ha sị, "Olee nke bụ ezi okwu?" Ha wee sị na okwu ya ụfọdụ bụ ezi okwu, ụfọdụ bụkwa okwu ugha. D.C. ajụọ ha sị, "Olee nke bụ okwu ụgha?" Ha asị na ha kwuru sị Omenụkọ laa obodo ya. D.C. wee sị, "Ọ bụghi ihe a jụrụ unu, geenụ ntị, unu wara n'ụlọ Omenụkọ ma ọ bụ na unu awaghi?" Ha wee sị na ha awaghi, kama na ha gara n'ubi koko ya na-egbusi koko na unere ma ụkam dị ya; Omenụkọ wee chiri ndị ya pụta gbawa ha egbe wee gbatuo nwoke ahụ e gburu egbu." D.C. wee jụọ ha sị, "Unu matara na ọ bụ unu ka ikpe ọgụ a ga-ama?" Ha wee sị, "Ee". D.C. wee sị ha, "Unu matara ihe ọgụ a pụtaara unu?" Ha wee sị ya ihe ọ pụtara ya pụtara ha, tutuu ruo mgbe ha hụrụ ụzọ ha ga-esi gbuo Omenụkọ n'onwe ya, na mgbe ahụ ka ha ga-ege ntị n'ihe

D.C. na-ekwu. Ndị eze ahụ wee gwa D.C. sị, "Ọ bụrụ na ị na-achọ ka i gbusie anyị dum n'ihi Omenụkọ bụ onye ọbịa n'obodo anyị a, ọ dị anyị mma karịa anya anyị ịhụ nti anyị." D.C. wee nụ okwu ọjọọ a nile ha kwuru na-atụghi ụjọ ma ọ bụ egwu ọ bụla. D.C. wee sị ha, "Burunụ ozu abụọ ndị a gaa lie bịaghachinụ n'abalị anọ." Ha wee buru ndị ahụ e gburu egbu wee laa.

O ruo n'echi ya, D.C. wee dụpu onye ozi ya, onye Police, sị ya ka ọ gaa kpọọ Omenụkọ. Onye ozi ahụ wee gaa kpọọ Omenụkọ. O soro onye ozi ahụ ruo Awka, otu ụbọchị ahụ. D.C. wee dubata Omenụkọ n'ime ụlọ, wee jụọ ya sị, "Gwa m ihe bụ ezi okwu banyere ihe ndị a na-ekwu, ha na-ekwusi ike na gị bụ ọbịa n'ala ha, na obodo gị dị n'okpuru Ọkigwi." Omenụkọ wee sị D.C., "Agaghi m agwa gị okwu ụgha. Obodo nke m dị n'okpuru Ọkigwi dị ka ha kwuru." D.C. wee sị Omenụkọ; "Amataghi m ihe m ga-agwa gị nke ga-eme ka obi gị dị mma, ma ihe dị m njọ karịsịa bụ ịhụ na ohu mba na isii a lịrị ọnwụ lịakwa ụlọ mkpọrọ, lịakwa ịchịrị ndị agha nke Ndị Bekee jekwuru ha, na iwepụ ndị eze ha n'oche ikpe. Ihe gbaara m ama ihe ọjọọ ga-apụta bụ na ha atụghi egwu n'ikwere na ha wara n'ụlọ gị, ha atụghikwa egwu n'ikwu na ha agaghi ezu ike tutuu ha egbuo gị onwe gị. Ya bụ okwu mbụ m kwuru sị, 'Ihe ga-adị m njọ karịsịa bụ ịhụ na ohu mba na isii a na-elefu ọnwụ anya n'igbu gị n'ihi na ha nwere ike ịchọpụta otu madụ na-abụghi ezi madụ, onye ahụ na-elefu ọnwụ





Omenụkọ we bupụta egbe ukwu nke a na-akpọ kurutu, sụọ ha nsị egbe nke ọma.

anya were egbe gbagbuo gị. Mgbe ahụ gịnị ka m ga-eme ma ọ bụghi igbu nwoke ahụ na-abụghi ezi madụ, n'ihi na ọ ga-apụta kwere. N'ihi ya ọ bụghi nanị n'ebe a ka a maara aha gị, a matara aha gị n'Ọkigwi na n'ebe ọzọ. Ya mere aga m asị gị jikere laa obodo gị n'udo. Ọ dịghi ihe ọjọọ ọ bụla m chọpụtara n'ahụ gị, bụ ihe jọrọ njọ nke ga-eme ka ị ghara ịnọkwa n'ọnọdụ ichị achị gị."

Omenụkọ wee sị D.C., "Gịnị bụ ahụhụ ị ga-enye ha banyere ọwụwa ha wara n'ụlọ m, n'ihi na ọ bụrụ na e nyeghi ha ahụhụ siri ike, ha ga-elere ihe dị otu a anya were mee ihe ọjọọ ọzọ nke ga-ajọkarị nke a? Aga m esite ta a jikere ihe m, ziekwa ndị ala m ka ha bịa kwara ihe m. Anụrụ m okwu gị, ya mere ka i site n'ụbọchị ta a mara na ekwerele m ịla obodo nke m, n'ihi na ọ dịghi onye ọ bụla m ji ụgwọ n'obodo nke m."

D.C. wee sị Omenụkọ, "Mgbe ị jikeere ịla, ị ghaghi ime ka m mara." Omenụkọ wee kelee D.C. laghachi n'ụlọ ya, wee kpọọ ndị ya nile, kọọrọ ha ihe ya na D.C. kwuru. Ha nile wee ṅụrịa ọṅụ, "Ọ ka mma ka anyị laa na ndụ karịa ịla n'ọnwụ."

Omenụkọ wee sị ndị ya, "N'ezie anyị aghaghi ịla obodo anyị n'ihi na ọ bụrụ na nwoke ọ bụla apalite ịlụ ọgụ, ọ ga-achọpụta isi ihe bụ isi ihe sere ụka, matakwa uru ọgụ ahụ ga-abara ya, ma n'ime esemokwu mụ na ndị a, ọ dịghi uru ọ ga-abara m, ahụkwaghi m uru ọ ga-abara ha. Ya mere ka anyị laa obodo anyị, ka ndị ọchọje



nke ga-apụ ọha n'ọnụ taa ala nna ha, tagburu onwe ha."

9-8-85

## ISI IRI NA ANỌ

14

## NLAGHACHI OMENỤKỌ NA ỤMỤ NNE YA N'OBODO ANYỊ

Omenụkọ wee họpụta madụ asatọ, zipụ ha ka ha gaa gwa ndị eze obodo anyị ihe mererị. Ọ sịkwa ha ka ha gaa madụ abụọ n'ụlọ onye eze ọ bụla dị n'ala anyị, n'ihi na ọ dị isi obi iri na ise dị n'obodo anyị, isi obodo ọ bụla nwere eze nke ya. Omenụkọ wee sị ndị o zipụrụ ka ha rịọ ndị eze ala anyị ahụ ka ha nyere ya aka site n'ime ka ọtụtụ madụ bịa kwakọtara ya ihe, n'ihi na ya na-ejikere ịlaghachi n'obodo anyị mgbe ọ bụla a kwasịrị ihe ya, ma ọ bụ ta a ma ọ bụ echi. Mgbe ndị ahụ e zipụrụ jeruru wee zie ozi Omenụkọ ziri, ndị eze ala anyị ahụ wee nara ozi ahụ. Ọ dịghi onye eze ala ọ bụla nke nụrụ ozi ahụ chewekwa ihe ọzọ. Ndị eze ala dum wee ziritee onwe ha ozi sị ka onye eze ọ bụla were nkwa ekpe kụọro ụmụ okorọbịa sị ha jikere n'ụtụtụ echi ya, soro Omenụkọ na ụmụ nne ya kwakọtaa ihe; na ha ga na-eje ya ruo mgbe ihe ha dum gwụsịrị n'Ịkpa Oyi ahụ. Mgbe ndị eze zukọsịrị gbasaa, nkwa ha adawa aghara aghara, "kpo kpa, kpo kpa," I gee ntị n'ebe nke a, ọ na-ada, i geekwa ntị n'ebe ọzọ, ọ na-ada, otu aka ahụ. Mgbe o ruru

n'echi ya, a sị na ọ dị onye ike na-adịghi nke nọchiri n'ụzọ n'ụbọchị ahụ, ụmụ okorọbịa na ndinyom gaara iji ọkpa zọgbuo onye ahụ. Site n'ụbọchị ha malitere iga bukọtaa ihụ ahụ, ọ dịghi izu madụ kọrọ n'ụzọ ahụ, tutuu o ruo abalị toolu, ihe ha wee latasịa n'obodo anyị. N'ụbọchị nke mere ya abali iri, Omenụkọ wee ga kọọrọ D.C. na ọ bụ n'echi ka ya ga-ebili laa obodo anyị. D.C. wee sị ya, "Ọ dị mma otu ị na-achọ ime, ma ị mere ndị gị na ihe gị dum añaa?" O wee sị ya na ihe ya dum alaala ala anyị. D.C. wee jụọkwa ya sị, "Ị ga-eme ụlọ gị ahụ añaa?" Omenụkọ wee sị, "Aga m ahapụ ụlọ ahụ ka ọhịa tokpoo ha, ka ha dasịa." D.C. wee sị ya, "Ụlọ gị ahụ adịghi mma ka ha mebie emebie". Omenụkọ wee sị ya, "Aga m enye ọtụtụ ndị enyi m ihe ndị ọzọ, ma ọ dịghi onye ọ bụla m nwere ike inye ụlọ m ahụ." D.C. wee sị ya na o wutere ya nke ukwu dị ka ụlọ ahụ dum ga-esi laa n'iyi na ọ ga-adị mma ma ndị enyi Omenụkọ zụọ ha kwụọ ụgwọ. Omenụkọ wee sị, "Onye ọ bụla m hụrụ n'ụlọ m ahụ aga m emesị onye ahụ ụka nke ya iche; mgbe ụlọ ahụ dum dasịrị n'ala. Ọ dị onye chọrọ ibi n'ebe ahụ ya gaa biri, ma ugbu a, ekweghi m." D.C. wee sị ya, "Ọ dị mma, mgbe ị ruru ala gị zusịa ike, mgbe ị chọrọ Warrant gị, bịa hụ m anya ka m nye gị akwụkwọ nke ị ga-enye D.C. nke Ọkigwị". Omenụkọ wee sị D.C., "Aga m abịa ma ọ bụghi ka ị lee anya m n'afọ a ma ọ bụ n'afọ ọzọ, n'ihi na onye ọ bụla bụ onye eze ga-enwe ụlọ ebe ndị enyi ya



gana-abata ịhụ ya." D.C. wee sị ya na ọ dị mma. Omenụkọ wee kelee ya, ha abụọ ekwerịtaa onwe ha n'aka. Omenụkọ wee laa.

N'ụbọchị nke mere ya ụbọchị iri na otu Omenụkọ wee bupụta egbe ukwu anọ nke a na-akpọ kurutu, sụọ ha nsị egbe nke ọma buru egbe anọ ahụ rigoo n'elu ugwu, doo ha n'usoro, họpụta ezi ụmụ dimkpa iri na isii, sị ha chere ruo mgbe a gbara egbe anọ ahụ, ka ha buru egbe anọ ahụ laa. Oge wee ruo mgbe Omenụkọ jikeere ịla ma ọ bụ ibili lawa ala anyị. Otu onye n'ime ụmụ dimkpa ahụ wee were ọkụ gbara ọsọ ga mụnye n'ebe ahụ, nya bụ na kurutu ahụ, nke mbụ adda, nke abụọ adaakwa, nke atọ na nke anọ adaakwa. Omenụkọ wee sị ndi nile guzoro ya nso, "Agbara m egbe ukwu a ka ha bụ ndị obodo a wee mara mgbe m biliri, onye chọrọ ịñụ ọñụ ka ọ ñụrịwa, onye chọkwara ikwa akwa ka ọ malite ugbu a kwawa." Mgbe ahụ ndị dimkpa ahụ a họpụtara bịara bulie kurutu anọ ahụ, ọ bụrụ ụla. Mgbe Omenụkọ na ndị ya rutere obodo anyị, a sụọkwa kurutu anọ ahụ, gbaakwa, ka onye ọ bụla wee mata mgbe Omenụkọ na ụmụ nne ya jiri rute ala anyị.

Enweghi m ike ịkọ nke ọma n'afọ ahụ mgbe Omenụkọ siri n'obodo anyị gbapụ laa ndị Mgbọrọgwụ. Ma afọ Omenụkọ sikwara na mgbapụ ya laghachikwa obodo anyị bụ n'afọ 1918 na ngwụcha ọnwa nke iri. Mgbe Omenụkọ nọrọ nwa oge dị anya n'agaghi ịjụ ndị Bekee ihe banyere ọnọdụ ya, ụfọdụ madụ wee malite ịjụ ihe bụ

uche ya. Omenụkọ wee gwa ha na ọ dịghi ya oke mkpa ịbụ eze ụlọ ikpe gaa n'ihu, na ihe nke na-aghaghi ime bụ na ya aghaghi ijisi ike na-enyere Ndị Government aka, ma mgbe ha chọrọ inye aka. Ma okwu a adịghi ndị obodo anyị ụtọ ịnụ na Omenụkọ jụrụ ịbụ onye eze ukwu ahụ dị ka ndị Bekee na-achọ ka ọ bụrụ. Omenụkọ wee sị, "Emeele m onye eze ukwu, ọha madụ hụkwara ọchịchị nke m, tookwa m; site n'ihi nke a aga m abụrụ madụ ime udo n'obodo m, dịkwara ndị Government, nke a ga-enyere m aka na ndụ m." Omenụkọ wee mee dị ka o kwuru.

## ISI IRI NA ISE

## NDỤ OMENỤKỌ N'IME OBODO ANYỊ

Omenụkọ wee wuo ọtụtụ ụlọ dị iche iche nke ya na ndị ya. O mee ka ụmụ ya ndịkom nile gawa ụlọ akwụkwọ, ma ụfọdụ n'ime ụmụ ya diri ndị na-achọ ipụta n'ụlọ akwụkwọ site ebe ha siri laghachi n'ihi na ọtụtụ n'ime ụmụ ya agafeelerị akwụkwọ isii, mgbe ahụ ha laghachiri obodo anyị. Site n'afọ 1918 ahụ ha laghachiri obodo anyị, ọ dịghi afọ gafere ị gaghi ahụ ụmụ ya otu ma ọ bụ abụọ n'akwụkwọ isii. Ọ dịghikwa afọ pụtara nke a na-agaghi ahụ otu n'ime ụmụ ya ka ọ gara ozi ndị Bekee. Ọtụtụ n'ime ụmụ ya nọ ozi n'ụzọ ụgbọ ala, ọtụtụ nọkwa n'ụlọ ahịa.



Omenụkọ na-aga ụlọ ikpe, ma ọ bụghi onye eze ụlọ ikpe. Ọ bụrụ na o ruo ụlọ ikpe, ọ gaa nọdụ jụụ na-eche ndị ụlọ ikpe nche dị ka onye iwu. Ọ bụrụ na ndị eze ụlọ ikpe ekpee ikpe mmegide mgbe Omenụkọ nọ n'ụlọ ikpe, ọ bụ ezie na ọ bụghi onye eze warrant ma ọ dịghi atọ ya ụtọ ịhụ ihe dị otu ahụ ka ọ na-aga n'ihu. Ya mere mgbe ọ bụla ndị eze ụlọ ikpe hụrụ ya na ọ bịara ụlọ ikpe, onye ọ bụla ga na-eche onwe ya nche ma n'okwu ma n'omume.

Ị ga-amata nke ọma na madụ dị iche iche dị n'ụwa nke a anyị nọ n'ime ya, ọ bụghi madụ dum hụrụ Omenụkọ n'anya, n'ihi na madụ ụfọdụ na-achọ oriri oriri, ma ha adịghi achọ ka madụ rie nke ha. Site n'ihi ihe dị otu a, Omenụkọ enweghi oghere imezuru ụmụ elu ụwa ndị maara ya, ka ha chọrọ. Ya mere ụfọdụ wee hụ ya n'anya, ụfọdụ akpọkwa omume ya asị. Ma onye ọ bụla maara ihe ọma na ihe ọjọọ ga-amatakwa na Omenụkọ bụ madụ ọha; site n'ihi ya, ndị hụrụ ya n'anya karịrị ndị nke na-ahụghi ya n'anya n'obodo anyị ruo ta a.

Edere m akwụkwọ a ma ọ bụ akụkọ banyere ndụ Mazị Omenụkọ nke onye ọ bụla gụrụ ya na-aghaghi ịmụta ihe site na ndụ ya. A chịtụ ọchị a kwatụ akwa dị n'ụwa nke a ga-eme ka onye ọ bụla na-achọ amamihe mara ihe. Omenụkọ sitere mgbe ọ dị na nwanta nwee ego, ma o ruo mgbe o toruru dimkpa, ego ya wee gbanarị ya, iwe na ọnụma wee sị ya gaa nwụọ, zuru ike, udo na ihụnanya wee sị ya chere, na akwaghi akwa nke

aha ya bụ ọnwụ dị n'ihu.

Omenụkọ wee dị ndụ ruo ta a. Ọ na-arụkwa ọrụ ọma ogologo ndụ ya nile. Mgbe ọ bụla ọ chọrọ ime ihe, ọ na-achọ mgbe ọma ka o wee zi amamihe ya. Madụ nile ga-amụta ihe banyere ụkọ ego dị ugbu a. Site n'afọ 1929 ruo ụbọchi ta a, ụfọdụ madụ kere ego ụdọ, tụọkwa ya mkpọrọ ka o wee ghara ịgbanarị ha. Omenụkọ bụ otu n'ime ndị ahụ. Ọtụtụ madụ na-akwa akwa banyere ụkọ ego, ma Mazị Omenụkọ dị ka m chere, na mgbe ọ bụla ọ chọrọ ime ihe ọ bụla, ọ na-eche mgbe ọma ka o wee zi amamihe ya. Ugbu a ego kọrọ nke ukwu, ọ bụ ezie, ma ihe aha Omenụkọ a pụtara ma a sụgharia ya bụ, "O Me N'ụkọ Akụ." Nke ahụ bụ aha nna ya gụrụ ya. Site n'ihi aha dị otu a Omenụkọ nwere, sitekwa na ihe ọ bụla ọ chọrọ ime, ọ ghaghi izi amamihe n'ime ya. Omenụkọ wee malite iwu ụlọ elu n'afọ ụkọ ego a ka o wee mee dị ka aha nna ya gụrụ ya si dị, nke bụ "O Me N'ụkọ Akụ."

Ọ gwụla.

In computer.